Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.9 No.1 March, 2026; pg. 13 – 20; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

EMETAGHỊ NKEỌMA N'ASỤSỤ IGBO N'ỤLỌAKWỤKWỌ PRAỊMARỊ N'EHA-ALỤMONA NSỤKA, STEETI ENUGWU

JOY IFEADỊKANWA OBAYI, Ph.D
Humanities Unit/ Arts Education
School of General Studies/ Faculty of Education
University of Nigeria, Nsukka
joy.obayi@unn.edu.ng
08065132008

Ụmị edemede

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ara nne ndị Igbo. Ọbụ asụsụ ahụ bụ ugwu ndị Igbo. Ọtụtụ oge a na-ahụta ndaghachi azụ nye ụmụakwụkwọ n'ihe gbasara asụsụ Igbo dị ka isiokwu nchọcha a bụ emetaghị nkeọma n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praimarị n'Eha-Alụmona-Nsụka, steeti Enugwu. Asụsụ Igbo so n'otu ihe ọmụmụ a na-amụ a na-amụ n'ụlọakwụkwọ praịmarị. A jụrụ ajụjụ anọ iji chọpụta ihe butere emetaghị nkeọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo. Ọbụ nlegharịadịm nkọwa ka e jiri mee nchọcha. Ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha bụ ụmụakwkwụkwọ praịmarị niile na ndị nkụzi ndị nọ n'Eha-Alụmona-Nsụka. E sekwaara ụmụakwụkwọ narị na iri ise nakwa ndị nkụzi iri ndị na-akụzi ụmụakwụkwọ ndị beziiki nke ise. Ngwa nchọcha bụ njụmaaza nke e ji miin na ndipu n'izugbe hazie ụsa nnweta nke ntọ ya bụ 2.5. Mkpebi ọ bụla bidoro na 2.5 gbagowe ka anabatara ma nke ọ bụla pekarịrị 2.5 ka a jụrụ ajụ. A chọpụtara na ọmụmụ asụsụ Igbo na-eri mperi na praimarị n'Eha-Alụmọna. A tụnyekwara aro ihe a ga-eme ka nsogbua kwusị dị ka: gọọmenti iweta ndị nkụzi a zụrụ na nkụzi Igbo n'ụlọakwụkwọ ka ha nwee ike ikụzi Igbo otu okwesiri, ndị nkụzi ga-agbakwa mbọ ihụ na ha ji ngwa nkụzi dabara adaba na-akụzi ihe ka ụmụakwụkwọ na-enwe mmasị n'asụsụ Igbo. O kwesikwara ka gọọmenti na-enye ihe idide obi nye ndị nkụzi na-akụzi Igbo. Nke a ga-ewuli mmọọ ha elu ịgụ nakwa ịkụzi Igbo.

Igodo okwu: Emetaghị Nkeọma, Asụsụ Igbo, Ụlọakwụkwọ Praịmarị, Eha-Alụmona Nsụka, Steeti Enugwu.

Mkpọlite

Asụsụ bidoro na ndụdụgandụ. Asụsụ ga-adikwanụ ọkpụ tọrọ ọkpụ maka ewezuga asụsụ ndụ enweghị isi makana ọbụ asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta. Ọbụkwanụ ụzọ si ezipụta mbunoobi. Asụsụ na akọnuuche jikọtara ọnụ n'ihi na ọbụ site n'asụsụ ka akọnuuche si apụta. Nke a mere Chuks (2018) ji sị na asụsụ bụ usoro ọdịmara maọbụ nke nkamara nke bụ ihe gbasara mmadụ na-abụghị nke na-eme mmadụ ndapụta n'ọnụ. Ọ bụ ekwurunọọnụ nke e dere ede n'akwụkwọ.

Asụsụ bụ nke na-esite n'olu mmadụ nke a haziri ahazi nwere nghọta mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka. E nweela ọtụtụ nkọwasị gbasara ihe bụ asụsụ. umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu(2019) kọwara asụsụ dịka usoro iji olu chikọta akara nke mmadụ si ewepụta ebumnobi ya, gbasara akụkọ ha, nwee mmekọrịta n'etiti onwe ha. N'ịga n'ihu, Agbedo (2015) mere ka a amata na asụsụ bụ ihe zuru ụwa ọnụ ma bụrụkwa otu n'ime njirimara mmadụ. Ọbụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ nke o nwere ike iji zipụta omenala,

azụmahịa, eke ikpe na ihe ndị ọzọ. ya bụ, asụsụ bụ usoro ọdịmara, nkamma usoro nke gbasara mmadụ na-abụghị nke na-adapụta na ndụ mmadụ kama a na-amụ ya amụ.

Asụsụ dị ụzọ abụọ, nke ekwurunọnụ na nke ederede (Chuks, 2018). Obodo niile nwere asụsụ. asụsụ na-egosi omume maọbụ obibi ndụ nke naanị ndị obodo ahụ ga-aghọta ya nkeọma. E nwere asụsụ dị iche iche na Naijiria nke asụsụ Igbo bụ otu n'ime ha. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo ji egosipụta onwe ha, obibi ndụ ha, omenala na nkwenye ha.

Ndị Igbo bụkwanụ ndị sitere n'ọwụwa anyanwụ Naijiria. Ọbụkwanụ asụsụ Igbo ka e ji ama ha. Agbụrụ ọ bụla bụ asụsụ ha ka e jiri mara ha. Obodo ọ bụla tufuru asụsụ ha, atụfuola njiri mara ha. Ndị Igbo bụ ndi e ji asụsụ Igbo mara nakwa ndị agbataobi na-asụ Igbo. Asụsụ Igbo agbaala mgbọrọgwụ nke na ndị otu atụmatụ agụmagụ,*Federal Republic of Nigeria,* (FRN) (2014) maara mkpa ọ dị iji asụsụ ara nne akụziri ụmụakwụkwọ ihe n'ụlọakwụkwọ, ha mekwara ya ka ọ bụrụ iwu na nwata akwụkwọ ga-amụrịrị otu n'ime asụsụ epum atọ e nwere na Naijiria bụ Hausa Igbo na Yoruba. N'echiche nke ya, Okeke (2011) kwenyere na o kwesịrị ka e jiri asụsụ epum ụmụaka akụziri ụmụakwụkwọ ihe mgbe ha nọ n'ogo praimarị dị ka nashonal polisi n'edukeshọn (2014). Okeke gara n'ihu si na ụmụakwụkwọ ndị ntaakara na praimarị e jiri asụsụ epum kụziere ihe na-eme nkeọma karịa ndị ejighị ya kụziere, tụmadụ ndị ọ bụ asụsụ Bekee ka e jiri kụziere ha. Makana iji asụsụ abụọ kụziere nwata ihe n'ogo a, na-enye nwata ọ bụla nsogbu n'ihi na ọ na-etigharị ha anya, ha agaghị amakwa nke ha na-asụ asụ. Nke a gosiri mkpa ọdị iji asụsụ Igbo kụziere ụmụakwụkwọ Igbo n'ogogo praịmarị.

Ọ bụ ya ka Ụzọdịmma (2013) jiri si na ikụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nta adịchaghị ka o kwesịrị idị n'ihi mmepeanya n'ogo dị elu e dowere ọmụmụ sayensi na nkanụụzụ n'obodo Naijiria. Ọmụmụ asụsụ Igbo nwere ngalaba dị iche iche dị ka: Agụmagụ, aghọtaazaa, edemede, omenala wee dịrị gawa. Ụmụakwụkwọ na-agụ agụmagụ mgbe ọ bụla a na-akụzi Igbo iji nyere ụmụakwụkwọ aka ikwupụta ihe edere n'akwụkwọ ijikwa kwalite nghọta ụmụakwụkwọ ịkọwa ihe ha gụrụ n'akwụkwọ. Ha na-amụkwa edemede iji gosipụta idiike na mmụta Igbo ijikwa zie mmadụ ozi na-abụghị ekwurunọnụ. Nke ọzọ bụzị omenala ebe a na-akụziri ụmụakwụkwọ ihe gbasara omenala na ọdịnala ndị Igbo. mana amụmamụ ndịa na-adị ka ọ na-alazị azụ.

Asụsụ Igbo bụzi ihe ihe a na-achọ ịkọ akụkọ maka ya n'ihi na malite n'ezinaụlọ ebe a mụrụ nwatakịrị ka ndị nne na nna na-akụziri ha asụsụ Bekee kama ha ga-akụziri ha asụsụ Igbo. N watakịrị a zụlitere n'ụzọ dị otua agaghị enwe mmasị n'ebe asụsụ Igbo dị. Oge ụfọdụ ọbụrụ ebe nwatakịrị na-ahụta onwe ya , ebe ndị nọ ebe ahụ enweghị ihe ha ji asụsụ Igbo kpọrọ, ha ewere ya na ọbụ ihe mgbochie. Oge ụfọdụ ihe onyonyoo a na-ahụzị n'oge ugbua ana-adị ka ọ na-ewepụ echiche ụmụaka n'ihe gbasara asụsụ Igbo. Ọ bụ ihe ndị a ka nchọcha jiri sị ka e lebaa anya mara ihe ahụ na-ebute emetachaghị nkeọma n'ụlọakwụkwọ praịmarị na mpaghara Nsụka nakwa ihe a ga-eme ka ha nwee mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a mere Agbedo (2015) jiri kwado na ọ bụ nne na nna ka ọ dịịrị ịtọrọ ụmụ ha ezi ụkpụrụ bụ isụ asụsụ Igbo site na mgbe a mụrụ ha, ka nke a wee baa ha n'ụmị.

Ndị nkụzi praịmarị na-akụzi ihe ọmụmụ niile nọ sikiimu maọbụ kọrịkụlum. Ọbụ nke kwere ya ka ọ ga-akụzi ma nke ekweghị ya ọ kụzie ka ọ mụtara. Ọtụtụ oge ha anachaghị akụzicha ngalaba asụsụ Igbo niile otu o kwesịrị ka ọ dị, makana ha na-ebe ya ịchafu. Oge ụfọdụ, ọbụrụ asụsụ Bekee ka ndị nkụzi ji akụziri nwata akwụkwọ ihe. Ọtụtụ na-eji olundị na-akụzi asụsụ

Igbo. Ihe ndịa niile nwere ike imetụta ọmụmụ asụsụ Igbo. N'ịkwado nkea, Onwuka (2015) kwuru na onyenkụzi bụ onye tozuru oke ma nwee ahụmahụ nke nwere ike ịkụnye nka, ihe ọmụma, ugwu, omenala na akparamagwa bara uru, asụsụ na ihe ndị ọzọ.n'aka nke ọzọ Okonkwo (2015) ahụta onyenkụzi dị ka onye maara nke a na-akọ n'ọmụmụ Igbo ma nwee ahụmahụ amamiihe dị naya nke ga-enye aka ịkụnye ma kwalite ṅka, ihe ọmụma, ugwu, akparamaagwa bara uru, omenala ndị ọzọ dịgasị iche iche. N'otu aka ahụ Saylor (2018) kọwara onyenkụzi dị ka onye nọ n'agbata mmadụ abụọ nke nwere ike ịkụnye ezigbo akparamaagwa n'ime mmadụ ma kwalite nkụzi na ọmụmụ ihe.

Ndị nkụzi bụ isi sekpụ ntị n'ọmụmụ ihe mana enweghị ndị nkụzi maara akụzi asụsụ Igbo nwere ike soro na nsogbu nye emetaghị nke ọma n'asụsụ Igbo n'ogo praịmarị dị n'Eha-Alumona, Nsụka na steeti Enugwu. Nke a bụkwa ihe siri ike n'ihi na ọbụ ndị nkụzi bụ ebe olileanya dị na a ga-enwe ezi ndị nkụzi maara asụsụ Igbo nke ọma bụ ndị ga-akụziri ndị amaghị Igbo asụsụ Igbo. Maka nke a, ndị na-elekọta ndị nkụzi ịhụ na ha na-arụ ọrụ dịka o kwesiri ga-adị uchu n'ọrụ.

Ndị nlekọta ndị nkụzi anaghị aga ụlọakwụkwọ inyocha ndị nkụzi na akụrụ ngwa ha ji akụzi ihe nwere ike ịbụ nsogbu dịịrị ọmụmụ asụsụ Igbo n'Eha-Alumona. Nleta a gana-amụnye ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ọkụ n'obi ịgba mbọ n'asụsụ Igbo. Ọbụ ya ka Tim-Masib(2015) ji sị na onye ọbịa nleta na-enye ozi na-abami ụmụakwụkwọ n'obi nke ha anaghị echefu echefu. Nke a na-enyekwara ndị nkụzi aka iguzosi ike ma mara ụdịrị ngwa nkụzi ha kwesịrị iji na-akụzi ihe.

Ngwa nkụzi bụ akụrụngwa e ji akụzi ihe na-eme ka mmụta dị ire.O nwere ngwa nkụzionye ga-eji aka mebetere onwe ya. Onwekwara ndị nke ndị isi ụlọakwụkwọ ga-ewetara ndị nkụzi iji kwado mmụta n'ụlọakwụkwọ. Ihe ka mkpa bụ ka ndị nkụzi mara ka e si eji nkwa nkụzi ọbụla akụzi ihe ya na mgbe e ji ewebata nke ọ bụla.N'ihi na ọ bụ ya ka Eze (2019) ji sị na ngwa nkụzi dị ka ihe dị iche iche e ji eme ka nghọta dị ire na klaasị. Nke a pụtara na tupu ngwa nkụzi adị ire na a ga-eji ya kụzie ihe n'ụzọ ọ ga-abara ụmụakwụkwọ uru ma nye ha nghọta doro anya. N'iga n'ihu ịkọwa ngwa nkụzi, Ikeriokwu na Isola, kọwara ngwa nkụzi dịka ngwa ndị ahụ a na-ahụ anya bụ nke na-enyere onye nkụzi aka ime ka nkụzi naọmụmụ ihe doo ụmụakwụkwọ anya.

Ngwa nkụzi bụkwa ihe Babalola (2014) kọwara na ọ bụ ngwa ndị ahụ ahaziri nke ọma iji kwalite nkụzi na ọmụmụ ihe ma mekwaa ka ụmụakwụkwọ nwee mmetụta n'ihe ọmụmụ. Ọ bụrụ na ngwa nkụzi ezughị oke, nke a nwere ike imetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ọbụ mgbe nkụzi doro nwata anya ka nwata ga-ebido nwee mmasị ịmụ asụsụ Igbo.

Mmasị bụ otu agbamonwe dị ezi mkpa na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ bụ onye nwere mmasị ka I ga-akụziri asụsụ Igbo. Ụfọdụ ụmụakwụkwọ enwghi mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo tụmadụ na praimarị. Oge ụfọdụ ihụ na ụta adịghịri ụmụakwụkwọ maka mmadụ anaghị enye ihe onweghị. Ụmụakwụkwọ dị otua enweghị ntọala asụsụ Igbo dịka o kwesịrị maka na nne na nna ha anaghị asụrụ ha asụsụ Igbo n'ezinaụlọ. Maka ya ọ na-ewe ha iwe ịsụrụ ha asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwụkwọ, asụsụ ha were na ọbụghị ihe ọbụla kpatara e ji asụrụ ha asụsụ Bekee bụ nke ha were na ọbụ asụsụ ndị maara ihe na asụsụ ndị nnukwu mmadụ. Ilechukwu na Iheme (2018) kwadoro nkea ma sị na nne na nna aharala onyonyoo ebe a na-egosi egwuregwu

ndị Bekee karịa nke ndị Igbo anyị ebe a na-akọ akụkọ Ifo ma ọbụ egwu ọnwa nke ga-eme ka ụmụaka nwee mmasị n'ịmụ Igbo. N'iga n'iru maka inwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ, oge ụfọdụ ọ bụrụ na ndị bụ ndị anaghị enwe mmasị ịkụzi Igbo makana ha anaghị agbaziri ụmụakwụkwọ ụzọ otu o kwesịrị, ụmụakwụkwọ enwee obi ịjụ oyi ṅ'ịmụ asụsụ Igbo.

Ọbụ nlegharịadịm nkọwa ka e jiri mee nchọcha nke Nworgu (2015) kwadoro na ọbụ ya ka mma n'ụdị nchọchaa n'ihi na agaghị enwe ike megharịa ihe emere ma ebe anọ mee nchọcha bụ n'Eha-Alumona, n'okpuru ọchịchị Nsụka. Ime obodo atọ mejupụtara Eha-Alumona. Ime obodo ahụ gụnyere: Eha, Ụmabọ na Agbamere. Eha-Alumona bụ akpụrụarọ Nsụka, nke pụtara na ha bụ ndị zipụtara okpukperechi. E ji omenala dị iche mara ndị Eha-Alumona dịka: Ezemkpume, Emume Nzu ya na ndị ọzọgasị. Ndị Eha-Alumona na-agbasi mbọ ike. A na-asị na Eha-Alumona sitere Agụukwu Nrị n'Anambra steeti. Ha na-arụsi ọrụ ike , ma na-azụkwu ahịa rinne. Eha-Alumona n'obodo ndị gbara agbataobi dị ka: Ọba, Ogboduaba, Opi, Mbu, Nsụka na Ede-Obala.

Ndị e jiri mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ niile ndị nọ na prịmarị nke ise ka e jiri mee nchọchaa ndị ọnụọgụ ha dị 1364 n'ọgụ na ndị nkụzi 26 dị na ha dịka *Post primary School Management Board* (*PPSMB*) (2025) ke Enugwu siri dee ya. Onye nchọcha sekwaara mmadụ 150 n'ime ụmụakwụkwọ nakwa mmadụ 10 n'ime ndị nkụzi iji mee nchọcha nke mgbakọta ya bụ 160 n'ọnụọgụ.Ọbụkwa njụmaaza ka e jiri nweta njatụle.

Nchọcha jiri aka ya kee njụmaaza n'ụlọakwụkwọ ahụ e jiri mee nchọcha ya na onye nyeere ya aka mee nkea site n'inye ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ njụmaaza ma nakọtakwa ya mgbe ha zachara iji hụ na onweghị nke a na-achọ achọ nakwa ihụ na ụmụakwụkwọ ghọtara ihe a chọrọ na ha. Ọbụkwa miin na ndipu n'izugbe ka a ga-eji hazie njatụle e nwetara. Akara ntọ bido na 2.5 gbagowe ka a nabatara mana nke erughi 2.5 ka agaghị anabata.

Ihe a chọpụtara

E ji tebulu were zipụta ihe a chọpụtara.

Ajụjụ nke mbụ-Amu: Ntozuoke ndị nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị n'Eha-Alumona

Ngụ	Ndịna	EI	E	A	AI	Miin	NI	Mkpebi
1.	Ụfọdụ ndị na-akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ n'ogo Praịmarị bụ ndị agụghị ihe ọbụla gbasara asụsụ Igbo	15	15	80	40	1.96	3.65	Anabataghị
2.	Ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo bụ ndị ji naanị nzere wassce	83	30	20	17	3.26	7.10	Anabatara
3.	Ọtụtụ bụ ndị gụrụ ihe gbasara asụsụ Igbo mana ha emeghị nke ọma n'ule	75	55	16	4	3.67	6.75	Anabatara
4.	Ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo bụ ndị ji nzere digirii n'asụsụ Igbo mana ha emeghị ya na ngalaba edukeshọn	30	90	16	18	3.59	7.55	Anabatara

5.	Ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo bidoro ọrụ nkụzi na-enweghị ọzụzụ pụrụ iche ha natara	80	50	15	5	3.21	6.98	Anabatara
	MkpokọtaMiin							3.43

Ndị nkụzi nyere ọsịsa na tebulu mbụ na-akọwa na ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ n'ogo praịmarị agụghị ihe gbasara Igbo. Na ndịna nke abụọ, ha na-akọwa na ụfọdụ ndị nkụzi bụ ndị ji naanị wassce na-akụzi Igbo. A bịakwa na ndịna nke atọ naanọ, ndị nkụzikwenyere nke ọma na ọtụtụ bụ ndị gụrụ ihe gbasara asụsụ Igbo mana ha emeghị nke ọma n'ule ebe ụfọdụ n'ime ha emeghị ya na ngalaba nke edukeshọn n'otu n'otu. Miin ụsa ajụjụ nke mbụ gụnyere ndị a: 1.96, 3.26, 3.67, 3.59 na 3.21. miin 3.67 kacha nnukwu na-akọwa na ọtụtụ bụ ndị gụrụ ihe gbasara asụsụ mana ha emeghị nke ọma n'ule mere e ji enweemechaghị nke ọma. Na nchịkọta, ndịna nke mbụ adabaghị adaba n'ihe na-ebute emetachaghị nke ọma na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo ebe ndịna nke abụọ, nke atọ, nke anọ na nke ise dabara adaba n'ihe na-ebute emetachaghị nke ọma na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị n'Eha-Alumona n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugwu.

Ajụjụ nchọcha nke abụọ: Mmasị ụmụakwụkwọ nwere n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị

Ngụ	Ndịna	EI	E	A	AI	Miin	NI	Mkpebi
6.	Ụmụakwụkwọ na-enwe mmasị ịmụ asụsụ Igbo	80	42	10	18	3.3	8.92	Anabatara
7.	Ụmụakwụkwọ na-achọ ịsụ Asụsụ Igbo	108	30	7	5	3.8	6.81	Anabatara
8.	Ụmụakwụkwọ na-ewepụta Obi ha ime ejije na ịkọ akụkọ N'asụsụ Igbo nakwa omenala	110	20	15	5	4.0	7.14	Anabatara
9.	Ụmụakwụkwọ anaghị ege ntị Mgbe onyenkụzi na-akụzi Asụsụ Igbo	90	30	20	10	3.5	9.43	Anabatara
10.	N'ihi enweghị mmasị n'asụsụ Igbo n'ule WASSCE	90	30	20	10	3.2	8.49	Anabatara
	Mkpokọta Miin					**3.56**		

Ụmụakwụkwọ nyere ọsịsa na tebulu nke abụọ gosiri na ụmakwụkwọ enwechaghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo, ebe ọsịsa ndịna nke isii gosiri na ụmụakwụkwọ enweghị mmasị ịsụ asụsụ Igbo mana ha na-ege ntị mgbe onye nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo mana n'ihi enweghị mmasị n'asụsụ Igbo ha anaghị ahọrọ asụsụ Igbo n'ule WASSCE. Nchọch chọpụtara ihe ndịa. nke a bụ miin ajụjụ a jụrụ ebe ahụ bụ 3.3, 3.8, 4.0, 3.5, na 3.2. ihe ndị a na-egosi na bido na ndịna ajụjụ nke isii ruo na nke iri dabara adaba na ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ si emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ n'ogo praịmarị dị n'okpuru ọchịchị Nsụka nke steeti enugwu. Nke a na-egosi na enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ

Igbo na-emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụzọ jọrọ njọ. Ọ bụ ihe dị nnukwu mkpa na ụmụakwụkwọ gana-enwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ogo praịmarị.

Ajụjụ Nchọcha nke Atọ: Otu ụdị ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo si emeghi nke ọma n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị n'Eha-Alụmona

Ngụ	Ndịna	EI	E	A	AI	Miin	NI	Mkpebi
11.	Ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị Ezughị oke	106	40	3	1	3.3	8.94	Anabatara
12.	Ejighị ngwa nkụzi ụmụakụkwọ na-ahụ anya na-eme ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo na-ahịa ahụ	74	65	7	14	3.2	6.81	Anabatara
13.	Enweghị ngwa nkụzi asụsụ Igbo na-eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo na-ala azụ.	88	34	19	19	3.2	7.14	Anabatara
14.	Enweghị akwụkwọ ọgụgụ na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara esonyeghị na nkụzi na ọmụmụ	103	39	10	8	3.1	9.43	Anabatara
15.	Iwebata ngwa nkụzi mgbe ọ dabaghị na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara esonyeghị na nkụzi na ọmụmụ.	98	45	8		3.1	8.43	Anabatara
	Mkpokọta Miin					**3.20**		

N'ajụjụ nchọcha nke atọ a bụ nke gbasara otu ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo si ebute ọdịda asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị n'Eha-Alụmona. Onye nchọcha chọpụtara ihe ndị a: miin ajụjụ nchọcha ahụ bụ 3.3, 3.2, 3.2, 3.1 na 3.1. ihe ndị a na-egosi na bido na ndịna iri na otu ruo na iri na ise dabara adaba na ụdị ngwa nkụzi asụsụ Igbo si eweta emetaghị nke ọma n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmary n'Eha-Alụmona.

Ajụjụ Nchọcha nke Anọ: Otu ọbịa nleta anaghị abịa n'ụlọakwụkwọ praịmarị n'Eha-Alụmona si ebute emetaghị nke ọma n'asụsụ Igbo

Ngụ	Ndịna	EI	E	A	AI	Miin	NI	Anabatara
16.	Onyeọbịa nleta na-abụ ihe Nlereanya nye ndị nkụzi	102	44	3	1	3.3	8.96	Anabatara
17.	Onyeọbịa nleta na-ewuli mmụọ ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ	81	60	7	14	3.28	7.80	Anabatara
18.	Mgbanwe na-adị ma onyeọbịa Nleta bịachaa	92	30	19	3.21	7.17	9.46	Anabatara
19.	Ikpọbata ọbịa nleta ga-eme ka ụmụakwụkwọ mara na asụsụ Igbo dị nnukwu mkpa	100	41	10	8	3.67	9.46	Anabatara
20.	Onyeọbịa nleta n'anya ụmụakwụkwọ bụ onye nnọchi anya ha	98	45	8	9	3.69	8.47	Anabatara
	Mkpokọta Miin					**3.47**		

N'ụsa ajụjụ nke anọ gbasara otu anaghị enwe ọbịa nleta si eme ka aghara enwena mmeta nke ọma n'ụlọakwụkwọ praịmarị dị n'Eha-Alumona site na ntọ miin a: 3.3, 3.28, 3.21, 3.67 na 3.69. nke a pụtara na malite na ndịna iri na isii ruo na iri abụọ dabachara ma kwadokwa na ịkpọbata ọbịa nleta ga-ewuli asụsụ Igbo n'Eha- Alumona n'ogo praịmarị.

Mkparịtaụka

Nchọcha chọpụtara na ụfọdụ ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo n'ogo praịmarị bụ ndị agụghị Igbo. Ọ bụ nke a so na-emetụta emeghị nke ọma na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị dị n'Eha-Alumona. A chọpụtara na ụfọdụ mere Igbo mana ọbụghị na ngalaba edukeshọn ka ha mere ya nke pụtara na ha enweghị ọzụzụ na ṅka nkụzi. Nke a dabara na nchọcha Okeke (2011) nke na-akọwa na ụmụakwụkwọ na-eme nke ọma mgbe onye nkụzi nwere nzere mmụta zuruoke kụziere ha ihe. A chọpụtakwara na enweghị mmasị na-emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ dabakwara na nchọcha Onwụka (2015) nke kọwara na mmasị ụmụakwụkwọ dị mkpa n'ebe ọmụmụ n'agụmagụ dị. N'ihi na ọ bụ mmasị ga-eme ka nwata akwụkwọ gee ntị na nkụzi a na-akụziri ya, na-agbanyeghị usoro na onye na-akụzi ya.

Enweghị ezi ngwa nkụzi na-emetụta nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a pụtara na ndị nkụzi kwesịrị iwebata ngwa nkụzi mgbe ha na-akụzi ihe, ma webata ya mgbe o kwesiri ka nkụzi were tọọ ụtọ. Ọzọkwa bụ ọbịa nleta na-enyeaka ịkwalite nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo; na ọ bụrụ na ọbịa nleta bịa n'ụlọakwụkwọ na ọ ga-enyeaka ime ka ma ndị nkụzi ma ụmụakwụkwọ nọlie ma dị njikere ịkụzi nakwa ịmụ ihe a na-akụzi maka na onye ọ bụla ga-achọ igosi naya na-agba mbọ; dị ka Greeto (2018) si kọwaa na ụmụakwụkwọ hụ na onye ọbịa na-eleba anya n'ihe a na-akụziri ha, na ọ ga-akpali mmụọ ụmụakwụkwọ ịgbalisiike ịgụ akwụkwọ ha.

Mmechi

Nchọcha chọpụtara na itinye asụsụ Igbo n'ụzọ kwesiri ekwesi na korikulum dị ka e si etinye asụsụ Bekee. Ọ dị kakwa mkpa iji ngwa teknụụzụ ọgbaraọhụrụ nakwa ṅka nkụzi dabara adaba akụzi Igbo. Ma otu ọdị na praịmarị ọ bụ otu onye nkụzi na-akụzi sọbjeekti niile ma kụzie asụsụ Igbo ma onye ahụ ọma ya ma ọ maghị ya.

A chọpụtakwara na ndị Igbo ejighi asụsụ ha kpọrọ ihe n'ebe onye ọzọ nọ. Ndị Igbo ịma na oge eruola mgbe onye ọ bụla ga-esosipụta asụsụ ya n'ihi na site na nchọcha a, a chọpụtakwara na nnukwu ọrụ dịịrị ndị Igbo n'ebe nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị.

Ntụnye aro

Site na nchọpụta e nwetara na nchọcha a, a tụnyere aro inye aka hụ na asụsụ Igbo nwetara ugwu ya dị ka o si kwesi.

> Ndị gọọmenti ga-agba mbọ hụ na ndị nkụzi na-akụzi Igbo n'ogo praịmarị nwere ezigbo ọzụzụ n'asụsụ Igbo.

> Ndị nkụzi ga-eji ngwa nkụzi dabara adaba akụziri ụmụakwụkwọ ihe ka ụmụakwụkwọ na-enwe mmasị ịmụ Igbo. Ọ ga-adịkwa mkpa ka otu onye nkụzi bụrụ onye gana-ahụ maka asụsụ Igbo iji hụ na nwata ọbụla maara ihe o kwesịrị ịmụta n'asụsụ Igbo.

> Ndị na-ahụ maka ụlọakwụkwọ ga-agba mbọ ịhụ na ndị ọbịa nleta na-ejezu ụlọakwụkwọ ọbụla kwa mgbe kwa mgbe ihụ na nkụzi na ọmụmụ na-aga otu okwesịrị; Ma ọ dịkwa mkpa ka a na-enye ndị nkụzi Igbo ihe idideobo ka ha nwee ike iji obi ha niile na-akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo otu okwesịrị.

Nrụaka

Agbedo, C.U. (2015). *General Linguistics*: Historical and Contemporary perspectives, Nsukka: KUMCEE. Nteeshe Press.

Babalola, B.G. (2014). *Communication Patterns in the school system*. Ibadan. Longman publishers.

Chuks, O.B. (2018). Asụsụ Igbo Ezue. http://www.slidesshow.com. Retrieved August

Eze, B.N. (2019). Comparing the performance of male and female in the Teaching of English Literature in Nsukka Education zone of Enugu State". Unpublished (ph.D thesis of University of Jos.

FRN (2014). *National Policy on Education*. Lagos: NERDE Press.

Greeto, C.C. (2018). *Cognitive Skills in Teaching Liteature in School*. Cambridge: University Press.

Ikerionwu, N. na Isola, C. (2010). Guides to Lanuage Teachers. htt://www.google.comRetrievedAugust,62011

Ilechukwu, D.I. & Iheme, J.O. (2018). Ụmụaka Igboenweghi mmasmi n'asụsụ Igbo. mkpatara na mgbochi ya. *Odezuigbo Jonal*, 2(1), 168 – 182.

Nworgu, B.G. (2015). *Educational research:* Basic issues and methodology (3rd ed.).Owerri: Wisdom Publishers.

Okeke, A.A (2011). " Influence of Qualification in the teaching of Igbo Poetry in Gboko Local Government Area of Benue State". Unpublishing M.ED Project; Benue State University

Okonkwo, A.F. (2015). Material Teaching aids: *Ehancement tool for teaching essay writing in secondary schools world journal of Education*, 5 (5) 110- 16

Onwuka, A. (2015). *Teaching Practicum.* Abakaliki: De Oasis Communications & Publishers

Saylor, S.N. (2018). *Guides to Educational Psychology. A practical Approach*. Cambridge: University Press.

Tim-Masib, W (2015). Yams and the Igbo future BBC. Birmingham.http/www.bbcco.Uk(content)Articles. Retrieved June 15, 2015.

Umeodinka, A.U. Ugochukwukwu, C.N., Ogwudile, C.E.C, Ilechukwu, D.I. (2019). *Kpọkọpị ụtọ asụsụ Igbo na ntụgharị maka ndị sekọndịrị na mahadum*. Awka: Divine Printing and Publishing Co.